# Nkwenye Ndị Igbo Na Mmehie Nwere Ụgwọ: Ntucha Agumagụ Igbo Ụfọdụ

**Ogochukwu R. Ifeka & Nkeonyere I. Ukaegbu**

Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu Ke Igbariam

**Ụmịedemede**

N' ala Igbo mmehie bụ ihe ndị Igbo na-asọ nsọ dịka akparaagwa ọjọọ dị iche iche. Mmehie ndia bụ igbu mmadụ, mmadụ ịlụ nwa ya maọbụ mmadụ ịdịna nwa ya, mmadụ ire nwanne ya, iweghara ihe onye ọzọ n'ike, mana otu ihe pụtara ìhè bụ na mmehie ọbụla mmadụ mere nwere ụgwọ. Ọ bụ ya mere nwanchọcha jiri hụta ya dịka ihe ga-abara ọhaneze uru bụ ịgba n'anwụ ihe nwere ike ịbụ ụgwọ ọrụ onye mmehie site n'ileba anya n'akwụkwọ Igbo atọ ndi a họọrọ bụ **"*Chi Nwata Kwe*"**, "***Onye Lọrọ Mkpụrụ Udara***" nke Ọ.R. Ifeka dere na **"*Nwata Rie Awọ*"** nke G.O Onyekaọnwụ dere, iji zipụta ụgwọ mmehie pụtara ihe na ha. Nke a ga-enye aka kụziere ọhaneze ihe bụ mmehie, na ihe ndị nwere ike ịbụ ụgwọ ọrụ ya, nke a ga-enyekwa aka hazigharia usoro obibi ndụ ha ma mee ka ha malite kpaba agwa ziri ezi nke ga-enye aka maka ọdịmma obodo. N'ikpeazụ, a chọpụtara na n'ime akwụkwọ Ifeka na Onyekaọnwụ, ha wepụtagasịrị mmehie dịgasị icheiche a na-eme n'ala Igbo na ụgwọ ọrụ dịịrị onye ọbụla mehiere

## Okwu Mmalite

Mmehie bụ ezi nkwenye ndị Igbo nke na-echekwa akparamagwa ndị mmadụ. Ọ bụ ya mere ndị Igbo jiri nwee ihe ha na-akpọ arụ na nsọala nke ọ ga-abụ onye mee, ọ nata ntaramahụhụ dịrị ya. Ụdị ajọ akparamagwa ndị mmadụ na-akpa ụgbụ a gosiri na ha anaghị

asọpụrụ nkwenye ha. Ọ bụ ya mere e ji chọọ ime nchọcha a banyere ihe ndị bụ mmehie na ụgwọ ya.

N'ala Igbo taa, ndị mmadụ na-emezi mpụ dịgasị icheiche nke mere na ọ dị ka ụmụ anụmanụ na-akazi mmadụ mma n'ịkpa ezi àgwà. Anaghị ajụ mmehie otu o kwesịrị. Ha nwekwara ihe ndị ha na-asọ nke ha hụtara dị ka mmehie nke gụnyere igbu ọchụ, ịkpa nsị, ịnaghara mmadụ ihe ya n'ike, igbu mmadụ, nwoke na nwa ya nwaanyị inwe mmekọ, nwaanyi na nwa ya nwoke inwe mmekọ. Ha nwekwara ntaramahụhụ dịịrị onye mehiere, iji were gbaziere ya maọbụ kụziere ya na ihe ahụ o mere na ọ metaghị ya. Ọ bụ ihe ndị a kpatara nwanchọcha ji nwee ọnụnụ ọkụ n'obi na mmasị ime nchọcha a, iji gwa ọhanaeze na mmehie nwere ụgwọ.

**Ihe Bụ Agụmagu**

Agụmagu bụ okwu e nwetara n'okwu latịn nke pụtara "litera". Ọ na-arụtu aka n'ọrụ nkà na-akọwapụta etu mmadụ si eji echiche ya miri emi chepụta maka obibi ndụ ndị mmadụ n'ụwa ma depụta ya n'akwụkwọ. Nze (2010:56) n'uche ya na-ekwu na "Agụmagu bụ echiche miri emi mmadụ chepụtara banyere isiokwu ọbụla wee dee ya ede maọbụ kwupụta ya n'ọnụ nke na-enye amamihe, mkpalite nke mmụọ, obi ụtọ maọbụ obi ọjọọ nakwa afọ ojuju". Ọ gakwara n'ihu kọwapụta na agụmagụ bụ nzimozi mmadụ chepụtara n'uche ma dekwaa ya ede maọbụ kwuo ya n'ọnụ nke na-ezipụta ka ndị si ebi ndụ. Mgbe a na- ekwu maka agụmagụ, o nwere ihe ndi a naghị eleghara anya dị ka asụsụ nka.

Ifeka (2015) na nkọwa nke ya na-ekwu na agụmagu bụ ọrụ nka nwere ike bụrụ ihe mere eme maọbụ ihe emeghị eme. Ọ pụtara na ọtụtụ mgbe, agụmagụ bụ ihe mere eme ma mgbe ụfọdụ, ọ na-abụ ihe emeghị eme. Ikedimma (2008) n'aka nke ya kwuru na agụmagụ bụ ihe niile e kwuru n'ọnụ. Ma nke e dere ede n'ụzọ nka, nke na-enye amamihe, aṅ ụrị, ma na-akpalite mmụọ, bụ nke a haziri nke

ọma maka ọgbọ. Ikedimma mere ka a mata na, ọ ga- abụ ihe sitere n'ekereuche na nke nwekwara asụsụ dị elu. Ọ gakwara n'ihu iwebata na, a na-enwe ndị a na-ebu n'uche oge a na-ede maọbụ akọ agụmagụ. Nkọwa ya dabara nke ọma maka na agụmagu nwere ndị e mebeere ya.

Ọkafọ (2008:293) na nkọwa nke ya na-ekwu na agụmagụ bụ echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla nke e ji asụsụ nka kọwaputa. Ọ bụ ihe niile e dere ede maọbụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo maọbụ n'otu oge.

Na nchịkọta nkọwa ndi a niile, agụmagụ bụ ihe ọbụla sitere n'ekereuche pụta ma werekwa asụsụ nka detuo ya, nke ndị mmadụ na-esi na ya ezipụta ebimndụ na nhụrụụwa ha.

**Ihe Bụ Ejije**

Ejije so n'otu n'ime ngalaba e nwere n'agụmagụ. Na nkọwa ya, Ikeokwu (n.d) kwuru na ejije dị ka mmegharị e megharịrị ahụ maọbụ njije e jijere ndụ na obibi ya n'elu nkwago, bụ nke nwere nzimozi nkụzi na akpakwa amụ n'ebe ndị nkiri maọbụ n'ebe ndị ọgụụ nọ.

Ejije malitere na mba Grik n'agbata nlegara anya senchụrị isii tupu a mụọ Kraịst. Ọ bụ oge mmemme ahụ nke ndị Grik ji efe chi ha ofufe nke a kpọrọ "Dianosis". Ọ bụ n'obodo Anthen kpomkwem ka nke a mere. Ọ bụ Thepsis bụkwa onye mbụ mepụtara Ejije. Ọ mere nke a site n'ijije etu ha kwenyere na chi ha si akpa agwa.

Ejije Igbo sonyekwara n'otu aka ahụ nke mere na e nweela ọtụtụ ejije Igbo dị ka o si metụta ejije Igbo e dere ede. Ejije Igbo bụ ejije ahụ onye Igbo dere n'asụsụ Igbo nke metụtara omenaala Igbo, nkwenye ndị Igbo na usoro ebimndụ ndị Igbo. Ejije Igbo mbụ e dere ede bụ "Udo Ka Mma" nke Amaelechi Chukwuezi dere. E bipụtara ya n'afọ 1974. Site n'oge ahụ ruo ugbu a, e nweela ọtụtụ akwụkwọ ejije Igbo edereede nke ndị e ji rụọ ọrụ na nchọcha a sokwa n'ime ha.

**Ndị Bụ Ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị isi ojii na-asụ asụsụ Igbo, ndị ala ebe obibi ha dị na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naijiria na ọdịda anyanwụ mba Afrịka. A bịa n'ala Naijiria, a na-ahụ ndị Igbo n'steeti ndị a; Abịa, Anambra, Ebonyi Enugwu, Imo. Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ e nwere n'ala Naijiria. Ndị Igbo bụ agbụrụ nwe ala ebe a na-akpọ ala Igbo taa. Echiegu (1984:7-8) na nkọwa ya, na-ekwu na ndị Igbo dịka agbụrụ nọọrọ onwe ya, nwee omenaala na ụzọ obibi ndụ nke ha. Nkọwa ya na-egosi na ndị Igbo ruru iri nde n'ọnụọgụgụ. Agbataobi ndị Igbo bụ ndị ha na ndị Igbo bidebere nsọ. Ndị igbo na ndị agbataobi ha nwekoro okeala. E nwere ike ịhụta agbataobi ndị Igbo dị ka steeti gbara ha gburugburu, ndi gụnyere; Delta, Rivas, kros Riva, w.d.g. Na steeti ndị a, e nwegasịrị mpaghara ha na-asụ asụsụ Igbo.

N'ala Naijiria, agbụrụ atọ pụtakarịchara ihe nwere ebe ha sịrị wee pụta, ha bụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Igbo nwegasịrị akụkọ pụrụ iche kọwara ebe ha si wee malite njem ha. Otu nwamala igbo, nke a gbapụtara n'ohu bi na London, aha ya bụ Olaudah Equiano (1789) gbara mbọ ịkọwa azịza a n'ime akwụkwọ nke ọ dere maka ndụ ya a kpọrọ "The interesting narrative of the life of Olaudah Equiano or Gustarus Vasaa the African". Ọ kọwara na ndị Igbo bụ otu n'ime ebo iri na abụọ nke ụmụ Izrel bụ ndị furu efu.

Ebe o jidere aka wee kwue ihe a bụ na, omenaala Igbo dị icheiche ya na nke Izrel yitere.

Ọtụtụ nchọpụta ndị dị ka nke Ọlauda Equiano, na-egosi na ndị Igbo na ndi jụụ na-eme otu omenaala. Dr Basden onye ọcha gbakwara ama nke ya n'afọ 1861. Ọtụtụ ihe ịgba àmà na ndị Igbo si Isreal ebuka. Ndị Isreal n'onwe ha abịala n'ala Igbo mee ọtụtụ nchọpụta, bụ nke anyị ji onyonyo ya n'aka taata. O nwegasịrị ụfọdụ omenaala ha ya na nke dị igbo yitere, ha gụnyere; Ibi nwa ugwu, ịgụ nwa aha ịlụ nwaanyị ile ọmụgwọ, na ndị ọzoga.

**Nkwenye Ndị Igbo**

Nkwenye bụ ihe ndị tụkwasịrị obi na ya. Ọ bụ ihe ndị kwenyere na ọ na-emere ha ihe. N'ala Igbo, ndị Igbo kwenyere na e nwere ụmụ obere chi dị icheiche, nwekwaa nnukwu chi (Chukwu) bụ nke ụmụ obere chi niile ahụ na-ejere ozi. Ha kwenyere na Chukwu kachasị ihe niile elu, na ọ bụ ya kere mmadụ ya mere na mmadụ enweghị ike ịmata ike Chukwu, na ọ bụ ya na-alụrụ ha ọgụ, kwuchitere ha ọnụ ha mgbe a na-emeigide ha, na ọ na-akwụghachi onye ọbụla dị ka ụgwọ ọrụ ya sịrị dị. Ndị Igbo n'ahụtakwa ala dị ka arụsị nke ezi ihe, nke na-ekpe ikpe ziri ezi, nke ha kwenyere na ọ na-alụrụ ha ọgụ ọkachasị mgbe mmadụ mehiere.

Mmehie maọbụ arụ na nsọala bụ ezi nkwenye ndị Igbo nke na-echekwa akparamagwa ndị mmadụ. Ọ bụ ya kpatara ha ji asị na ọ bụrụ na mmehie adịghị, mgbaghara agaghị adị. Ha kwenyerekwara na mgbe ọbụla mmadụ mehiere, na ọ nwere ntaramahụhụ dịịrị onye ahụ, nke bụ ụgwọ ọrụ ya. Ọ bụ ya kpatara n'ala Igbo, e jiri nwee ihe ndị dịgasị icheiche ha gụnyere dị ka arụ na nsọala, nke bụ nnukwu mmehie n'ala Igbo, nke na onye mee ya, ọ nata ụgwọ ọrụ ya.

**Ihe Bụ Mmehie Na Ụgwọ Ọrụ Dịịrị Onye Mehiere**

Mmehie bụ arụ maọbụ nsọala dịgasị icheiche, ọ bụ ihe ndị Igbo na-asọ nsọ dị ka akparamagwa ọjọọ dị icheiche. Agwa ọjọọ ndị a bụ nwoke na nwa ya nwaanyị inwe mmekọ edina, igbu ọchụ, ịkpa nsị, ịnara mmadụ ihe ya n'ike, ịmegbu mmadụ, ire mmadụ, anyaukwu, ịbọ ji n'ohi maọbụ mmadụ iri ji e zutere n'ohi.

Na nchịkọta, mmehie bụ ihe ndị Igbo kwetara maọbụ ihe obodo dị icheiche kwetara dị ka ihe ezighị ezi n'anya ọhanaeze, ma bụrụkwa ihe ndị e mere megide ala maọbụ mmadụ. N'ihi nkwenye ndị Igbo kwenyere na ala na-ekpe ikpe ziri ezi, ka ha ji akpọ n'ubu mgbe ihe ụfọdụ mere wee kwuo si "Ala ekwekwala ihe ọjọọ".

N’ala Igbo, onye ọbụla mehiere ga-anata ntaramahụhụ dịịrị ya, nke nwere ike isi n’aka mmadụ wee bịa maọbụ n’aka Chukwu. Ahụhụ ga-adakwasị mmadụ dị ka arụ o mere siri dị ire maọbụ jọka njọ. Mgbe ụfọdụ, ọtụtụ ihe ike na-eso onye ahụ dị ka; ọnwụ ihere maọbụ ọnwụ mberede, ihe ihere, dị ka ọ dị n’akwukwo “Chi Nwata Kwe”, “Onye Lọrọ Mkpụrụ Ụdara” na “Nwata Rie Awọ”.

## Nnyocha Edemede Nchọpụtaga

Ezeuko (1986:23-24) kọwapụtara echiche ya gbasara arụ na nsọala nke bụ mmehie n’ala Igbo. Ọ na-ekwu sị na “Nsọala maọbụ arụ bụ ihe ndị igbo kwetara maọbụ ihe obodo dị icheiche kwekọtara dị ka ihe ezighị ezi n’anya ọhanaeze ma bụrụkwa ihe e mere megide ala na ndịichie”. Ezeuko gara n’ihu wee sị na onye ọbụla mere arụ maọbụ nsọala dị ka anyị siri hụ ya, nwekwara ahụhụ so ya.

Nzeakọ (1972:172) kwadoro echiche Ezeuko mgbe o kwuru sị na “Ndị Igbo niile kwenyere n’ala dị nsọ ma kwenyekwa n’ala na-ekpe ikpe ziri ezi. Ọ sịrị na mgbe mmadụ merụrụ ala, naanị ihe onye ahụ ga-eme bụ ịkpụ arụ ka onye ahụ nwerekwa onwe ya. Ndị Igbo kwenyere na onye merụrụ ala ma ghara ịkpụ arụ aghaghị ịnwụ ọnwụ oyi, niihina, ala ga-eji nwayọọ gbuo ya mgbe o mechara ya ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Ihe nke a pụtara bụ na, onye merụrụ ala wee ghara ịkpụ arụ, ala aghaghị igbu ya, niihi nsọpụrụ, ugwu na nkwenye n’ihe nke ndị Igbo kwenyere n’ebe ala dị, dị ka ha na-esi akpọ n’ubu mgbe ihe ụfọdụ mere wee kwuo sị “Ala ekwela ihe ọjọọ. Ndị mmadụ na-akpọkwa mmadụ iyi wee sị “Ala tigbukwaa gị”.

Nwaala (1984) kọwara sị na, otu mmụọ ndị Igbo kwenyere na ọ na-echekwa mmetụta sitere n’ọbara bụ ibeene. Ọ kọwara na n’ime ajọ ihe megide mmụọ ahụ pụtara na ị mere arụ ibeene. Ajọ omume ndị Igbo hụtara dị ka arụ ibeene gụnyere; Nwanne na nwanne inwe mmekọ edina, mmadụ igbu onye ya na ya bụ otu ọbara dgz. O mere ka a mara na, agbụrụ Igbo na-akpachapụrụ usoro obibi

ndụ ha anya nke ọma iji wee zere ihe a kpọrọ arụ ibeene niile na ntaramahụhụ so ya niihina, ọ na-eweta nnukwu ọdachi n'ezinaụlọ dị ka ọnwụ ike, amụtaghị nwa, ọrịa enweghị ọgwụgwọ, ọgbaghara, dgz. Mgbe ọbụla e mere arụ ibeene ọ bụ iwu na a ga-akpụrịrị arụ ka e wee nata mgbaghara n'aka mmụọ na-echekwa ibeene, nakwa ka e wee zere ọdachi nwere ike ị dakwasị onye mere ya.

Nwaala (1963) na nkọwa nke ya, na ekwu na ụfọdụ arụ maọbụ nsọala mmadụ mere nwere ike ikpochapụ ezinụụlọ onye ahụ. Nke a bụ ihe na-atụkarị ndị mmadụ egwu niihi arụ ụfọdụ nwere ike ibutere obodo ọdachi.

Onyekaọnwụ (1979) kwadoro echiche Nwaala banyere arụ ibeene, ọ kọrọ etu Awọrọ onye Amangwu si mee arụ ibeene site n'ịtọrọ nwunye ya bụ Obiọma na ada ha nwaanyị bụ Ọdịnchefu refuo, ka afọ iri na ise gasịrị ọ gara lụrụ ada ya nwaanyị n'amaghị ama. Awọro natara ntaramahụhụ dị icheiche niihi arụ ahụ o mere.

Ikenga-Metuh (1981) na nkọwa nke ya, na-ekwu na nsọala bụ mmehie nke bụ agwa ọjọọ dị icheiche ala na-asọ nsọ nke ọ ga-abụ mmadụ mee, ihe ga-esochi ya bụrụ omenaala e ji a sachapụ ala e merụrụ emerụ. O kwukwara na tupu a sachaa ala, onye ahụ mere nsọala ga-ebu ụzọ kọwaputa nsọala niile o mere, nke a bụ ihe a na-akpọ ịsa asisa.

Agbalaka (1981:8) nyere nkọwa nke ya sị na "Ọ bụ arụ bụ, ịkpa agwa ọjọọ maọbụ ime omume ruru unyi nakwa imebi iwu na-achịkwa akparamagwa mmadụ n'obodo, nke e kwenyere na ọ nwere ahụhụ na-eso ya". Ọ gara n'ihu wee sị na ahụhụ ahụ bụ nke na-esi n'aka chi kasị chi niile abịa. Agwa ọjọọ ndị Agbalaka rụtụrụ aka gụnyere; igbu ọchụ, ịkpa nsị, izu ohi, nwaanyi nọ na di na nwoke ọzọ inwe mmekọ edina, na ndị ọzọga. Ọ gara n'ihu kọwakwa na ọ bụ site n'ịkpụ arụ ka onye mere ụdị omume ọjọọ ahụ na-esi enweta mgbaghara n'aka Chineke.

Ejiofo (ND:17) kwadoro echiche Agbalaka ebe ọ si na "Arụ maọbụ nsọala nke bụ mmehie pụtara omume ọjọọ dị icheiche ala na-asọ nsọ dị ka nwaanyi nọ na di na nwoke ọzọ inwe mmekọ edina". Ọtụtụ ndị Igbo elegharala mmehie anya nke a kpọọrọ arụ na nsọala dịgasị icheiche nke mere ka ọnwụ ike na ọrịa juputa ebe niile.

Na nchịkọta, site na nkọwa ọtụtụ ndị mmadụ mere gbasara mmehie nke bụ arụ na nsọala, ha na-egosipụta na mmehie bụ ihe ndị ahụ a na-akpọ arụ na nsọala nke bụ àgwà ọjọọ mmadụ mere megide ala, ndịichie, Chukwu bi n'eluigwe na mmadụ imegide mmadụ ibe ya, nke pụrụ iwetara onye mere ya maọbụ obodo ajọ ọrịa na ọdachi dị icheiche, iji hụ na onye ahụ tara ahụhụ kwesịrị ya, nke ọ bụrụ na a maghị ihe e mere ya, ọ nwere ike ikpochapụ ngwuru onye ahụ ma metụtakwa ụmụnna ya na ogbe ya.

**Nziputa Nkwenye Ndị Igbo Na Mmehie Nwere Ụgwọ: Etu Ha Siri Pụta Ihe n'Agumagu Ndị A Họọrọ.**

**A). "Chi Nwata Kwe"**

Na "Chi Nwata Kwe", e zipụtara mmehie dịgasị icheiche nke wetara nsogbu. Na mbụ, ọdachi izizi mere na ya bụ akụkọ bụ ọnwụ Ujuka na Ugama, ihe wetara nke a bụ na ha riri ji ezuru n'ohi nke bụ nnukwu ihe ọjọọ n'ala Ụmụoshi, n'agbanyeghị na aka ha adịghị n'izu ohi ahụ, kama na ha gotere ya n'amaghị ama. Ogwugwu Mgbashi ahaghị ha, maka na iwu ha bụ onye ọbụla zuru maọbụ rie ji e zutere n'ohi na Ogwugwu anaghị aha maọbụ meere onye zuru ohi ji na onye soro rie ya ebere ma onye ahụ ọ ma, ma ọ maghị.
Mmehie ọzọ a hụtakwara na ya bụ na, Egbeigbeama bụ nwanne Mgboji jere nakọrọ ụmụ Mgboji bụ Nwokoye na Ọdugo ihe niile nna na Egbeigbeama ha nwere niihina, ọ na-akpa ike dị egwu. Ọ bụghị naanị ihe nwanne ya nwoke ka o weghara, ọ na-ewegharakwa ihe ndị ọzọ, ndị nke abụghị otú ọbara ya ma ndị nwunye ha, ala ha, osisi ha, na ndị ọzọga. Ọ bụghị naanị ihe ndị a bụ ihe ndị

Egbeigbeama mere, ọ gara n'ihu itinye aka n'ịtọrọ ma na-ere mmadụ bụ nke jọgburu onwe ya na njọ ma sigbuo nkakwụ n'isi. O megidere ree otu ọbara ya bụ Nwokoye nwa nwanne ya nihi anyaukwu, wee wekọrọ ihe niile ha mere ma ego emere n'isi Ọdugo. Ọ na-edina ụmụnwaanyị dịgasị icheiche nọ n'obodo ha, onye di ya kwuoro okwu, ọ gbuo ya maọbụ ọ kpọrọ nwunye ya debe be ya.
Ụgwọ ọrụ mmehie pụtara ihe n'agụmagụ a bụ na n'ikpeazụ Egbeigbeama mechara nata ụgwọ mmehie niile ahụ o mere niihina, ọrịa amaghị ebe o si dakwasara ya.

**B). "Onye Loro Mkpụrụ Ụdara"**
N'akụkọ a mmehie pụtara ihe bụ Akpọmasị. N'ime ya bụ akụkọ, e gosipụtara etu Chiezugo sịrị lụọ di ka ụmụnwaanyị ibe ya, mana Adanne bụ nwanne dị ya ekweghị ya ṅ ụọ mmiri tọgbọ iko. Ịhụla mmadụ abụọ ihe dakpuru anya kama otu ga-ebu ụzọ wepụ nke dakpuru ya anya, ọ chọba onye ọ ga-ebu ụzọ wepụ ihe n'anya. Emetaa so n'ụmụokorobịa a na-ekwu maka ha n'obodo ha bụ Amaedo, o mechara lụọ Chiezugo na nwata mgbe ọ nori n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ha abụọ mụtara ụmụ ise, nwoke anọ na otu nwaanyị tupu Chiezugo kpebie na ya agaghị amụzi nwa ọzọ. N'ezinụụlọ be Okide bụ nna Emetaa, naanị nwa ya ahụ bụ Emetaa ka a na-anụ mkpọtụ ya n'ụdị ime ihe ego, nke mere ka Emetaa na-ahụta onwe ya dị ka Chi n'ụlọ nna ya. Nne na Nna ya na-asọpụrụ ya n'ụdị dị egwu.

Maazị Anyadike na nwunye ya bụ Oyeoma amaghị ihe ha ji isi kote n'alụmdi nwa ha bụ Chiezugo na Emetaa lụrụ, kwa ụbọchị chi efola n'igwe a kọghị nke a, a kọọ nke ọzọ niihi etu Emetaa si emeso nwunye ya omume. Ha nwere nchekwube na ụmụ Chiezugo ga-amụta ga-ehicha ya anya mmiri maka n'anya pịa, iku anya anọchie.

Ọnwụ nna Chiezugo mere ka o kpebie na ya na ụmụ ya ga-elepụ anya n'ebe nna ha nọ zowa onwe ya. Emetaa ji ego ọ ga-eji zụọ ụmụ ya, mana o cheghị na ọ bụ mkpa ya niihina, ọ sịbeghị n'obi ya pụta ime ya eme. Nke bu ihe a ga-eme eme bụ nwanne ya nwaanyị bụ onye ga-ekwu ya tupu ọ bụrụ ihe ga-eme. Adanne bụ nwanne Emetaa mere ka ụmụ ya na nwunye ya bụ Chiezugo bụrụ ndị ohu n'ụlọ ha, ma chi nwata ekweghị ka chi jinahụ onye chi ya mụ anya. Adanne n'otu aka ahụ we ghọrọ mkpụrụ ọ kụrụ na be di ya site na nsogbu ụmụ ya niile na-enye ya.

Ụgwọ ọrụ mmehie pụtara ihe n'agụmagụ a bụ na, e mechara, di ya bụ Nwaafọ chụlaa ya be nna ya. Ụmụ ya na di ya wee jụ ya na ndụ. Chiezugo mechara nweta mbuli elu tụrụ ndị mmadụ n'anya, ebe Adanne na Emetaa nọrọ ịta onwe ha ụta n'ihe ọjọọ ha mere Chiezugo. Emetaa n'onwe ya bere ngaara amara niihina, ọ maghị na ihe ga-emechaa daghariạ.

**CH). "Nwata Rie Awọ"**

Mmehie pụtara ihe n'akwụkwọ a bụ ibeene (Nna ịlụ ma dinaa nwa ya). N'Amangwu, Awọro meriri Akatosị na mgba, nke mere ka Obiọma gbakwuru ya ka ọ luwa ya, e mechara ọ lụọ obiọma dị ka nne na nna ya siri gwa ya. Ka afọ ole na ole gasịrị, o nwezighị mmasị n'ebe Obiọma nọ, ọ malitere kpọwa ya asị. Ka aka na-ekwu, Obiọma mụrụ nwa, o wee bụrụ nwa nwaanyị. Iwe Awọro e wee rịa elu karịa ka ọ dibu na mbụ, maka na o nwere nchekwube na ọ bụ nwa nwoke ka Obiọma ga-amụtara ya. Nke a mere o jiri tọrọ nwunye ya na nwa ya nwaanyị ahụ bụ Ọdịnchefu refuo ma birizie naanị ya. Ka afọ iri na ise gasịrị, ọ gara lụrụ nwaanyị ọzọ n'amaghị na ọ bụ ada ya nwaanyị bụ Ọdịnchefu ka ọ lụrụ. Ha biri ọtụtụ afọ n'amutaghị nwa. Awọro jere mee nchọpụta ihe kpatara na Ọdịnchefu amụtabeghị nwa, a gwara ya ka ọ ga kpọlata nwunye ya ọ chụpụrụ achụpụ. Ka nwunye ya bụ Obiọma batara, ọ chọpụtara na onye Awọro na-alụ bụ

nwa ha nwaanyị bụ Ọdịnchefu. Mgbe Awọro chọpụtara ihe na-eme, o ji aka ya gbuo onwe ya. Nke a wee bụrụ ntaramahụhụ dịịrị ihe o meteere onwe ya, na ihe ihere nyere ya.

Ụgwọ ọrụ mmehie pụtara ihe n'agụmagụ a bụ, mgbe Aworọ chọpụtara na ọ bụ ada ya nwaanyị bụ Ọdịnchefu ka ọ na-alụ n'amaghị ama, o were mma sugbo onwe ya. Nke bụ iji gosipụta na mmehie ọbụla nwere ụgwọ ọrụ.

**Nchịkọta**

Na nchịkọta, a chịkọtara ihe niile a chọpụtara na nchọcha. A gakwara n'ihu depụta arọ niile nke nwa nchọcha nyere. E lebara anya na mmehie n' he bụ ụgwọ ọrụ ya. Mmehie bụ ihe ndị ahụ ndị Igbo na-asọ nsọ dị ka akparamagwa ọjọọ dị icheiche ezighị ezi n'anya ọhaneze ma bụrụkwa ihe e mere megide ala na ndị mmadụ. N'ala Igbo e nwere ụdị mmehie dị icheiche dị ka; ịbọ ji n'ohi, igbu mmadụ n'ụzọ ọbụla, ịkpa nsị, mmadụ ire mmadụ ibe ya, na ndị ọzọga. E nwekwara ahụhụ dịrị onye mere mmehie a, nke nwere ike bụrụ arụ maọbụ nsọala dị ka ọrịa ọjọọ nwere ike ịdakwasị onye ahụ, ọnwụ nwere ike igbu onye ahụ, onye dị otu a nwekwara ike iji aka ya gbuo onwe ya dị ka ọ dị na "Nwata Rie Awọ". Onye zuru ohi nwere ike izute ọnwụ ya, dị ka ọ dị na "Chi Nwata Kwe"

**Mmechi**

E nwere olileanya pụrụ iche ugbu a na mgbe adịghị anya, ekpemekpe Kraịst bịaranụ ga-eme ka ọtụtụ ndị mmadụ sepu aka na mmehie, na ọ ga-abụzị ihe akụkọ niihina, ọ bụ Chineke ka ọ dịrị ịgbaghara onye mmehie n'agbanyeghị ka mmehie ya sịrị dị. Nke a mere ndị ụlọikpe ji ekpe onye gburu mmadụ ikpe, ọkachasị onye kpachara anya gbuo mmadụ. A ga- enye onye ahụ ahụhụ pụrụ iche dị ka igbu ya egbu maọbụ tụọ ya mkpọrọ. Mgbe Ụfọdụ a na-agbaghara onye ahụ ma dọọ ya aka na ntị.

**Edensibịa**

Baden, G. T. (1921) Among the Igbos of Nigeria. University Publishing Company.

Basden, G. T. (1966) Among the Igbos of Nigeria. Frank Cass and Company Limited.

Echiegu, A. O. U (1984) Translating The Collects of The Solemnities of The Lord in The Language of The African; volume III sacrel Igbo and its Rhetoric. ROME, O.S.B.C. Valen Ziano, I. Scicolonc O.S.B. Romae, die 3 martii, Nihil obstat magnus Lohrer O.S.B. Rector Magnifilus Pontificii Attenaei S. Anselmi Roma.

Ezeuko, R. O, (1986), Ewumewu Omenaala Ofufe na Nkwenye Ndị Igbo. Nigeria:

Nwaala, T. U. (1985). Igbo Philosophy. Literamed press.

Nwana, P. (1963). Omenụkọ. Longman.

Nzeako, J. T. (1972). Omenaala Ndị Igbo. Longman.

Ogbalu, F. C (1981). Ndụ Ndị Igbo. University press.

Ogbalu, F. C (ND) Igbo Institutions and Customs. University Publishing Co.

Onyekaonwu, G. O (1980) Nwata Rie Awọ. University Press.

Osuagwu, B. N (1979). Ndị Igbo na Omenaala Ha. Macmillian.

Ifeka O. R (2014). Chi Nwata Kwe. Perfect Image.

Ifeka O. R (2018). Onye Loro Mkpụrụ Ụdara. Perfect image.

Iluogu, E. (1974). Christianity and Igbo Culture. Nok.

Osuagwu, B. N (1979). Ndị Igbo na Omenaala Ha. Macimillian.

Okafo, U., Ewelukwa, U. (2008). Nhazi Asụsụ Igbo. A.C Global Publishing Co.